# EZIPỤRỤ NDỊOZI IRINAABỤỌ AHỤ

## Matiu 10:1-42

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 81 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na yoke nkem adigh egbu mgbu, ibum di kwa nfe" (Matiu 11:30).**

**I Ọkpụkpọ Nke Ndị náesoụzọ Irinaabụọ Ahụ Nye Ijéozi**

1. Enyere ha ike ịlụọlụ ahụ nke akpọrọ ha ịlụ, Matiu 10:1; Mak 3:14, 15; Luk 9:1, 2
2. Aha mmadụ irinaabụọ ahụ, ndị akpọrọ ndịozi ugbu a, ka edepụtara, Matiu 10:2-4; Mak 3:16-19
3. Ijéozi ha dịịrị náánị Ụlọ Israel, Matiu 10:5, 6; Ndi Rom 1:16

**II Ntuziaka Dị Icheiche Banyere Ijéozi Ha**

4. Ha gaekwusa ma gwọọ kwa ndị ọrịa náanaghị ego, Matiu 10:7, 8; Mak 16:20; Ọlu Ndi-ozi 20:35
5. Ha agaghị ejide ego maọbụ uwe mgbanwe, Matiu 10:9, 10; 6:31, 32; Luk 10:3-7
6. Ha gaanọgide n'ụlọ ebe anabatara ha; ma ndị jụrụ ha gaanata ikpé, Matiu 10:11-15; Ọlu Ndi-ozi 13:51; I Ndi Kọrint 9:14; Luk 10:10-12

**III Mkpagbu Na Ọtụtụ Iheizèndụ**

7. Dịka Onyenwe ha, mmadụ niile gaakpọ ha asị n'ihi Oziọma ahụ, rara kwa ha nye n'aka nnọkọikpé, Matiu 10:16-25; Luk 10:3; Jọn 15:18; 16:33
8. Oge naabịa mgbe agaekpughe ihe bụ́ omume nke onye ọ bụla, Matiu 10:26-27; I Ndi Kọrint 3:13; Ndi Rom 2:16; Eklisiastis 12:14
9. Ha agaghị atụ̀ egwù mmadụ kama Chineke, Onye náamata ọdịda nke nnụnụ ma náelekọta kwa ụmụ Ya, Matiu 10:28-31; 6:25-33
10. Ụgwọọlụ dị maka ikwupụta Kraist; na ọbụbụọnụ maka ịgọnarị Ya, Matiu 10:32, 33; Nkpughe 3:5; Luk 9:26; Taitọs 1:16
11. Ndịiro ha gaabụ ndị èzínaụlọ ha, Matiu 10:34-37; Ndi Rom 8:35
12. Enweghị ọchịchọ nke onweonye bụ̀ otù ihe dị mkpà nke achọrọ maka ndụ ebighịebi, Matiu 10:38, 39; 16:24, 25; Mak 8:34, 35; Matiu 6:19, 20; Luk 12:33; Jọn 12:24-26
13. Ngọzi gaadịrị ndị ahụ nábatara ndị náejere Ya ozi, Matiu 10:40-42

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ọtụtụ Ubi Charaacha Maka Owuweiheubi**

Na nwa oge tupu ezipụ mmadụ irinaabụọ ahụ ndị náesoụzọ Ya, Jisọs naalụsi ọlụ ike náagwọ ndị ọrịa náachụpụ kwa ndị mmụọọjọọ. Ìgwèmmadụ ahụ gbakọkwara Ya gburugburu. O wee nwee ọmiko ma gwa kwa ndị náesoụzọ Ya sị: "Owuwe-ihe-ubi riri nne n'ezie, ma ndi-ọlu di ole-na-ole; ya mere, nāriọnu Onye-nwe owuwe-ihe-ubi ahu, ka o zipu ndi ọlu bà n'owuwe-ihe-ubi Ya." Ndị ahụ bụ kwa ndị nwere ọrịa nke ime mmụọ, mkpà "dibia" naakpá ha. Olileanya ha alawo n'iyi; ha chọrọ ntute.

Ọtụtụ ọgbọ agabigawo ma anyị naachọpụta na ụwa ka nọ kwa n'otù ọnọdụ ahụ taa. Ịkpọ òkù maka ndịọlụ ka naaga kwa n'iru; ubi charaacha maka owuweiheubi ma ndịọlụ dị olenaole. Ànyị gaanọdụ ala chịkọba aka na ụkwụ anyị ewee náele ndị furuefu na ndị náanwụanwụ ka ha náala n'iyi, náemeghị ihe anyị nwereike ime ịhụ́ na agbasara Oziọma ahụ?

**Ịkpọ Ndị Náesoụzọ Ya**

Jisọs naejégharị n'ụsọ mmiri Galili otù ụbọchị wee hụ́ Pita na Andụrụ ka ha naegbu azụ̀. O wee kpọọ ha ka ha rapu ụgbụ ha soro Ya. Ha mere ngwangwa rapụ ụgbụazụ̀ ha wee soro Jisọs. Ka Ọ naejégharị n'akụkụ osimiri Ọ hụrụ Jemes na Jọn ka ha naedozi ụgbu O wee kpọọ kwa ha ka ha soro Ya. Ngwangwa ha rapụrụ ụgbụazụ̀ ha wee soro Jisọs. Lee nnọọ ịzà òkù dị otú a nye Oziọma! Mmụọ nke Chineke naakụ̀aka n'ọnụụzọ obi mmadụ niile taa. Náánị olenaole na arapụ ihe niile "ngwa-ngwa" isoro Jisọs!

Anyị naahụ́ kwa ndị náesoụzọ Ya ndịọzọ akpọpụtara site n'ụdị ọlụaka ọzọ dị icheiche – Matiu sitere ná ndị náanakọta ụ́tụ́. Ha ejiwo anya ha hụ́ ijéozi nke Jisọs na otú O si náagwọ ndị ọrịa. Oge a bụrụ ha oge ịmụ̀ ihe; ha ka bụ ụmụ amụrụ ọhụụ nime Kraist bụrụ kwa ndị náaghaghị ịnata ntụziaka n'eziomume. Pọl naekwu, "Ka onye nke Chineke we zue òkè, onye emeworo ka o zue òkè ilu ezi-ọlu nile ọ bula" (2 Timọti 3:17). Ekwuwo na njikere kachasị mma maka ijéozi bụ mmadụ ịmata na inwe mmekọrịta ya na Chineke.

**Òzízí Dị Icheiche na Ụkpụrụ Ya**

Ndị náesoụzọ Ya ndịa anataghị ntụziaka ha n'ụlọakwụkwọ ebe anaazụpụta ndịmkwusa, dịka ọ bụ ụzọ anaagbaso n'oge a kama azụpụtara ha site n'ifè òfùfè kwa ụbọchị na mmekọrịta nke ha na Jisọs ka ha naesogharị Ya nime ijéozi Ya. Otù oge Jisọs kelere Nna n'ihi na O zoro ihe ndịa n'anya ndị maara ihe na ndị nwere nghọta ma O kpughere ha nye ụmụ ọhụụ -- mmadụ ndị obi ha ghereoghe, ndị gaekwere eziokwu ahụ.

N'ọtụtụ nzukọ ndị ọbịra ọhụụ enwere taa, ha naekwusi ike banyere mkpà nke óké mmụta na amamihe nke ụwa dị, bụ́ ihe náakpata nlefuruanya nke akụkụ ihe nke imemmụọ ọtụtụ oge na mmadụ ịbụ onye amụrụ ọhụụ n'ezie. Jisọs gwara Nikọdimọs, "Ọ buru na amugh madu ọzọ, ọ pugh ihu ala-eze Chineke anya" (Jọn 3:3). Taa mmadụ naamata kwa Jisọs n'Onweya n'ụzọ doroanya site n'ọ̀mụ́mụ́ ọhụụ.

**Ndị ozi**

Ihe akpọrọ mmadụ irinaabụọ ahụ na mbụ bụ̀ ndị náesoụzọ. Ugbu a anaezipụ ha anaakpọ kwa ha Ndịozi. Onye náesoụzọ bụ̀ onye náeso onye ọzọ náanara kwa ntụziaka site n'aka ya, ma onyeozi bụ̀ onyeozi ezipụrụ ezipụ. Ọkpụkpọ nke onye náesoụzọ ahụ bụ̀ ọkpụkpọ nke ịbịa mụta ihe; ọkpụkpọ nke ịbụ onyeozi ahụ bụ ọkpụkpọ nke ịpụapụ.

Ọ bụghị ihe ndaba na Ọ kpọrọ ndịkom irinaabụọ ahụ ka ha bụrụ ndị agaesite n'aka ha mee ka nzukọ Ya guzosieike. Ọnụọgụgụ a dakọtara ya na nke ndị nnaukwu irinaabụọ mbụ ahụ maọbụ ndị nna nke agbụrụ irinaabụọ nke Israel. Nime akwụkwọ Nkpughe agwara anyị na aha Ndịozi irinaabụọ ahụ dị na nkume nke ntọala nke Jerusalem Ọhụụ ahụ.

Aha nke Ndịozi ahụ ka edepụtara abụọ abụọ, o nwereike ịbụ na ezipụrụ ha otú ahụ dịka edepụtara aha ha abụọ abụọ.

**Ndị Ju na Mbụ**

Kraist bịakutere ihe nke aka Ya -- Ndị Ju. Ijéozi Ya n'eluụwa bụ ụzọ dịrị ha. O zipụrụ ndị náesoụzọ Ya na mbụ ijekuru Ndị Ju; ma n'ihi ekweghịekwe ha na ọjụjụ ha jụrụ Kraist, eweere Oziọma ahụ bugaara Ndị Mbaọzọ. Pọl kwuru sị "N'ihi na ihere ozi-ọma adigh emem: n'ihi na ọ bu ike nke Chineke rue nzọputa nye onye ọ bula nke kwere; Ju na mbu na onye Grik kwa" (Ndi Rom 1:16). "Na onye Grik" n'ebe a naapụta Ndị Mbaọzọ.

Kraist ajụghị iwere eziokwu ahụ nye Ndị Mbaọzọ mgbe ha bịakutere Ya. Mgbe nwanyị onye sairofinisia ahụ, onye ada ya nwanyị nwere iheotiti, bịakutere Ya, Jisọs gwara ya na ọ dịghị mma iwere nri dịịrị ụmụ nye nkịta. Ọ sịrị "E, Onye-nwe-ayị: n'ihi na ọbuná umu-nkita nēri ufọdu nime irighiri nke nādaputa na table nke ndi-nwe-ha" (Matiu 15:27). Jisọs sọpụụrụ okwukwe ya wee gwọọ nwa ya nwanyị. Ọ bụ onye Mbaọzọ ma o nwere nghọta nke eziokwu ahụ zuruókè mgbe o kwuru okwu ndịa.

**Ntụziaka Maka Ijéozi Ha**

Ha agaghị eji ọlaedo, maọbụ ọlaọcha tinye n'akpà ego ha, maọbụ akpà iji gaa njèm: "N'ihi na onye-ọlu kwesiri ihe eji azu ya." Lee nnọọ ka o si dị iche site n'ọgbakọ okpukpé dị icheiche nke dị n'ụwa taa! Ọtụtụ nime ndị mkwusa nke ọbịaraọhụụ naachọ ịnata okwu mkwesiike maka ụgwọ ọnwa aga akwụ ha tupu ha anabata ọkwa ijéozi ọ bụla.

Nime obodo ọ bụla ebe ha batara ha gaachọpụta onye kwesịrị nime ya; ma mgbe ọ bụla ha batara n'otù ụlọ, ọ bụrụ na anabatara ha, ha gaanọgide n'ebe ahụ, udo ha gaabịakwasị kwa ụlọ ahụ; ma ọ bụrụ na anabataghị ha, ha gaetichapụ ájá ụkwụ ha ka ọ bụrụ àmà megide ụlọ ahụ maọbụ obodo ahụ.

"Lee, Mu onwem nēzipu unu dika aturu n'etiti agu." Kemgbe ndị nna anyị ha mbụ mehiere ọ dị agha nke náagarịsị n'iru n'ụwa n'etiti ndịagha nke ọchịchịrị megide ndịagha nke ìhè. Jisọs dọrọ ndịozi ahụ akanántị ka ha bụrụ ndị "nwere uche dika agwọ" -- ịmụ anya nye ohere ọ bụla iji gbara Onyenwe ha àmà. "Onye nēnwetara Chineke nkpuru-obi madu ka onye mara ihe bu" (Ilu 11:30). Ha agaghị abụ ndị náadịghị aghọta nzụpụta ọjọọ dị icheiche nke ekwensu. Otù aka ahụ ha gaabụ kwa ndị "nādigh aghughọ dika nduru" -- ịdị nwayọ n'oge ịkwaemò maọbụ mkpagbu. Jisọs dọrọ ha akanántị na agaakpagbu ha n'ihi aha Ya na agaekuru kwa ha gaa n'iru nnọkọikpé; ma Ọ gwara ha ka ihe ndị ahụ ghara ime ha ka ha tụọ egwù. Anyị agaghị atụ̀ egwù ndị ahụ nke na ebo anyị ebubo ụgha, n'ihi na Chineke aghaghị ikpepụta ndị eziomume. Otù ụbọchị naabịa mgbe Chineke gaekpughe ihenzuzo niile nke mmadụ, agaeme kwa ka ọlụ mmadụ niile pụtaìhè ma ha sitere na Chineke. Ihe ha mụtaworo banyere Jisọs ka ha gaekwusa n'iru ọra mmadụ niile nke ụwa, ha atughị egwù ndị náesogbu ha, n'ihi na anya Chineke dị n'arụ ha, ọ dịghị kwa onye pụrụ imetụ mkpụrụobi ha aka. Náání Chineke ka ha gaatụ egwù Ya bụ́ Onye ahụ nke nwereike ịla ma mkpụrụobi ma anụarụ n'iyi n'ọkụalammụọ.

Ọ bụ kwa ndị èzínaụlọ mmadụ gaabụ ndịiro ya. Ọtụtụ oge ndị náesogbu anyị karịsịa bụ̀ ndị ahụ sitere n'èzínaụlọ nke aka anyị. Mgbe ụfọdụ èzínaụlọ ahụ naekewa abụọ: nne na nna megide ụmụ, na ụmụ megide nne na nna, n'ihi na ụfọdụ kwere na Jisọs ewee zọpụta ha ebe ndịọzọ jụrụ Ya.

Mgbe O chesịrị ihe isike dị icheiche nke Oziọma n'iru Ndịozi ahụ, Jisọs gwara ha ihe banyere ịhụn'anya na nchebe nke Nna ha nke bi n'Eluigwe, wee mesie ha obi ike ọzọ na otù nnụnụ apụghị ịda n'ala ma Ọ mataghị na kwa na ha dị óké ọnụahịa karịa ọtụtụ nnụnụ.

Ntụziaka ndịa enyere mmadụ irinaabụọ ahụ nwere ndụmọdụ dị ebube nime ha nye anyị n'ụbọchị taa ka anyị bụrụ ndị "nwere uche dika agwọ, ndị nādigh kwa aghughọ dika nduru;" ka ha buru n'uche izute ihe isiike dị icheiche; ka ha tụkwasịobi ná nlekọta nke Chineke nke náadịghị ada n'ebe ụmụ Ya nọ; na ilegide anya ịhụ́ na anyị gbazuru ọsọ anyị.

Anyị gaabụ ndị kwesịrị ntụkwasịobi n'ọkpụkpọ nke Chineke anyị, ịnọchị ọnọdụ anyị n'ọlụ nke Oziọma, ma ọ dị ukwuu ma ọ dị ntà; were ntachịobi náebu obe anyị kwa ụbọchị -- ihemgbu maọbụ ọnwụnwa nke náabịara anyị nime ịlụọlụ dị icheiche dịrị anyị n'èzínaụlọ, ná nrọpụta, aka igbò mkpà nke ihe anaahụ́anya, maọbụ n'ọlụ nke Onyenweanyị; na ịbụ ndị kwesịrị ntụkwasịobi iguzo n'ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke eziomume Ya, oge niile náewere enweghị ọchịchọ nke onweonye náachọ ọ dị mma nke ndịọzọ.

**Alaeze Eluigwe**

Ha gaapụ wee kwusaa, náasị, "ala-eze elu-igwe di nso." Jisọs, na kwa Jọn Onyeọwụmmiri, kwusara otù ozi ahụ. Ọ dịghị akwụkwọ mgbasaozi, redio , maọbụ ozi náaga site n'ịkụ ekwentị nke dị n'oge ahụ, ma aghaghị ịgbasa ozi ahụ site n'okwuọnụ.

O ji ọtụtụ ilu gwa ha ihe banyere Alaeze nke anaahụ́anya nke Ọ gaje ime ka o guzo mgbe oge ya zuru. O kwuru okwu banyere otù nwoke nke amaara aha ya onye gara ala dị anya, ịnara alaeze nye onweya na ịlaghachi. Kraist nọ "n'obodo" ahụ ugbu a; Ọ gaalaghachi n'oge náadịghị anya ịnara alaeze Ya, nke Ọ kwụrụ ụgwọ ya site ná mgbapụta nke mmadụ. Mgbe ahụ Ọ gaanọkwasị n'ocheeze nke Alaeze Ya. Lee ohere ọma anyị nwere taa ịnabata Oziọma dị ebube ma jijkere kwa ịnara Eze a dị ukwuu mgbe Ọ gaabịaghachị maka ndị nke Ya!

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Kpọpụtasịa aha Ndịozi irinaabụọ ahụ.
2. Òlee ndị ezigaara Ndịozi irinaabụọ ahụ?
3. Gịnị naabịakwasị èzínaụlọ ahụ nke ndị nábatara ha?
4. Ọ bụrụ na otù obodo ajụ ịnabata ha, gịnị ka Ndịozi ahụ gaeme?
5. Onyenweanyị Ọ̀ bịara iweta udo ka ọ bụ nkewa n'ụwa?
6. Òlee ọnọdụ nke kwesịrị ka nna anyị na nne anyị ha nwere nime obi anyị?
7. Gịnị mere Ndịozi ahụ náagaghị anata ego maka ikwusa Oziọma ahụ?
8. Mgbe Jisọs zipụrụ Ndịozi ahụ ijé mkwusa, mmadụ òle naejekọta ọnụ?